**<u>UKA NKE 30 N'OGE NA-ADANYEHI N'EMUME- AFO NKE ATO</u>**
**<u>30th Sunday of Ordinary Time, Year C. October 23rd, 2022.</u>**

**<u>IHE OGUGU NKE MBU- Ihe Ogugu e wetara n'Akwukwo Sirak (35:12-14, 16-18)</u>**

Dinwenu bu onye okaikpe, o naghi aso mmadu anya. O naghi asopuru ogaranya iji megide nwa ogbenye. O na-ato nti n'ala n'olu ndi a na-emegbu emegbu. O naghi eleghara anya n'aririo nwa enwe nne enwe nna mobu nke nwaanyi isimkpe mgbe o na-akwara ya uwa ya. Onye ji obi ya niile ejere Chineke ozi, a ga-anabata ya. Aririo ya ga-eru Chukwu nti. Ekpere onye umeala na-adupu urukpu. Aririo ya anaghi ezu ike ruo mgbe o garuru ebe o na-aga. Ekpere ya anaghi adula azu, wee ruo mgbe onye kacha elu zara ya oku ahu o na-akpo, wee ruo mgbe okpe ikpe ziri ezi, biri ikpe wee zoputa onye ezi omume. Oseburuwa agaghi atufu oge ikpeputa ya, nke o na-ala oge n'iyi ibia nyere ya aka. **Okwu nke Osebruwa- Ekele diri Chukwu**

**ABUOMA NA AZIZA Abu <u>Psalm 34/35</u>**

**Aziza:** Nwaogbenye a kporo, Onyenweanyi anu olu ya.

1. Aga m eto Onyenweanyi oge niile, otito ya ga-adi n'egbugbere onu m mgbe obula. Mkpuruobi m na-egori n'Onyenweanyi, ka ndi umeala nuru ma nuria. **A**
2. Onyenweanyi na-agbakuta ndi ajoomume azu, mee ka a ghara ichetakwa ha n'uwa. Onyenweanyi na-aza oku ndieziomume na-azoputa ha na nsogbu ha niile. **A**
3. Onyenweanyi na-ano ndi obi gbawara nso, na-akwalite ndi dara mba na mmuo. Onyenweanyi na-azoputa ndu ndiodibo ya, ndi nile gbabara na ya agaghi akwu ugwo obula. **A**

**<u>IHE OGUGU NKE ABUO –Ihe Ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Pol di aso degara Timoti (2 Tim 4:6-8, 16-18)</u>**

Nwa m! Adi m njikere ruo n'iji m chuo aja; oge ula m ezuola. Aluola m ezigbo ogu, agbaruola m oso ahu n'isi, akwudosiela m ike n'okwukwe. Site ugbu a e dobercla m okpueze nke eziomume nke Onyenweanyi, ezi Onyeokaikpe ga-enye m n'ubochi ahu. O bughi naani m ka o ga-enye okpu eze ahu, o ga-enyekwa ya ndi niile ji ihunaanya na-eche obibia ya. Na mkpolite ikpere onu m nke mbu, o dighi onye kwunyeere m igbara m akaebe. Ha nile gbahapuru m. Ka Chineke gbaghara ha. Ma Onyenweany; nonyeere m, nye m ike ikwusa ozioma ahu n'uju, ka ndi mba ozo nu ya. Ma Chineke zoputara m n'onu odum. Onyenweanyi ga-anaputa m n'ihe ojoo niile ma zoputakwa m maka alaeze eluigwe ya. Ka otito diri aha ya ebeebe ebeebe. Amen. **Okwu nke Osebruwa- Ekele diri Chukwu**

**MBEKU TUPU OZIOMA**
***Aleluya, Aleluya!*** **(2 Corinthians 5:19)** *Chineke sitere na Kristi na-eme ka ya na uwa di na mma, bia tinyela n'aka anyi ozi banyere uzo o si eme ka ya na umummadu dikwa na mma ozo.* ***Aleluya!***

**O Z I O M A: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Luk dere (18:9-14).**
Jesu kowaara ufodu bu ndi na-ewe onwe ha ka ndi eziomume ma hu ndi ozo ka ndi ajo omume ukabuilu a. "Umunwoke abuo gara n'ulonso ikpe ekpere; Otu n'ime ha bu onye Farisi, nke ozo bu onye onautu. Onye Farisii ahu guzoro kpesara onwe ya ekpere nke a si: 'Chineke, ekelee m gi na-adighi m ka ndi mmadu ozo, ndi na-azoro ihe mmadu ibe ha n'aka ike, ndi omempu, ndi okwaiko, ma o bukwanu nke m na-adi ka onye onautu a. Ana m ebu on ugboro abuo n'izuuka. Ana m enyekwa otu uzo n'uzo iri nke ihe nile m kpatara. Onye onautu ahu, nke kwu n'ebe di anya, ekweghi welite ihu lelie anya n'eluigwe. Kama o na-eti aka n'obi na-asi, 'Chineke, meere munwa bu onye njo ebere.' Agwa m unu, nwoke a lara n'ulo ya buru onye a guru n'onye eziomume karia onye nke ozo. One obula buliri onwe ya elu, a ga-ebuda ya, ma onye obula budara onwe ya ala, a ga-ebuli ya elu."
***Ozioma nke Oseburuwa-Otito diri Kristi***

**English**

**FIRST READING: A reading from the Book of Sirach (35:12-14, 16-18)**
The LORD is a God of justice, who knows no favorites. Though not unduly partial toward the weak, yet he hears the cry of the oppressed. The Lord is not deaf to the wail of the orphan, nor to the widow when she pours out her complaint. The one who serves God willingly is heard; his petition reaches the heavens. The prayer of the lowly pierces the clouds; it does not rest till it reaches its goal, nor will it withdraw till the Most High responds, judges justly and affirms the right, and the Lord will not delay. ***The Word of the Lord- Thanks be to God***

**RESPONSORIAL PSALM Psalm 34/35**
**R. The Lord hears the cry of the poor.**
1. I will bless the LORD at all times; his praise shall be ever in my mouth. Let my soul glory in the LORD; the lowly will hear me and be glad. **R. The Lord hears the cry of the poor.**
2. The LORD confronts the evildoers, to destroy remembrance of them from the earth. When the just cry out, the LORD hears them, and from all their distress he rescues them. **R. The Lord hears the cry of the poor.**

3. The LORD is close to the brokenhearted; and those who are crushed in spirit he saves. The LORD redeems the lives of his servants; no one incurs guilt who takes refuge in him. **R. The Lord hears the cry of the poor.**

**SECOND READING: A Reading From the Second Letter of St. Paul to Timothy (2 Tim 4:6-8, 16-18)**

Beloved: I am already being poured out like a libation, and the time of my departure is at hand. I have competed well; I have finished the race; I have kept the faith. From now on the crown of righteousness awaits me, which the Lord, the just judge, will award to me on that day, and not only to me, but to all who have longed for his appearance. At my first defense no one appeared on my behalf, but everyone deserted me. May it not be held against them! But the Lord stood by me and gave me strength, so that through me the proclamation might be completed and all the Gentiles might hear it. And I was rescued from the lion's mouth. The Lord will rescue me from every evil threat and will bring me safe to his heavenly kingdom. To him be glory forever and ever. Amen. ***The Word of the Lord- Thanks be to God***

**ALLELUIA (2 Corinthians 5:19) R. Alleluia, alleluia.**

*God was reconciling the world to himself in Christ, and entrusting to us the message of salvation.* **R. Alleluia, alleluia.**

**GOSPEL: A Reading From the Holy Gospel According to Luke (18:9-14)**

Jesus addressed this parable to those who were convinced of their own righteousness and despised everyone else. "Two people went up to the temple area to pray; one was a Pharisee and the other was a tax collector. The Pharisee took up his position and spoke this prayer to himself, 'O God, I thank you that I am not like the rest of humanity -- greedy, dishonest, adulterous – or even like this tax collector. I fast twice a week, and I pay tithes on my whole income.' But the tax collector stood off at a distance and would not even raise his eyes to heaven but beat his breast and prayed, 'O God, be merciful to me a sinner.' I tell you, the latter went home justified, not the former; for whoever exalts himself will be humbled, and the one who humbles himself will be exalted." ***The Gospel of the Lord- Praise to You Lord Jesus Christ***